**Teaching that Matters for Migrant Students: TEAMS**

**(Nkuzi nke dị Mkpa Maka Ụmụ akwụkwọ Mba ọzọ: TEAMS)**

**Ịghọta mejupụta mwekota Scotland, Finland na Sweden**

**Akwụkwọ ozi TEAMS maka Nne na Nna na Ndị Nlekọta (Mbipute v2)**

Biko mara: Fọọm a dị na asụsụ na ụdị ndị ọzọ.

**Ụlọ akwụkwọ nwa gị na-esonye na ọrụ nyọcha,** ana-akpọ **TEAMS.**

## Gini bụ TEAMS?

TEAMS bụ ọrụ nyọcha mba niile, nke gụnyere ụlọ akwụkwọ na Scotland, Finland na Sweden. Na Scotland, A na-eme ọrụ a site na Mahadum Edinburgh na onye isi nyọcha bụ Dr. Nataša Pantić.

Ebumnuche nke nyọcha bụ inyere ndị nkụzi na ndị isi ụlọ akwụkwọ aka rụọ mkpa nke ụmụ akwụkwọ kwagara mba ọzọ na ụlọ akwụkwọ sekọndrị, site na ịghọta ohere, nsogbu na mgbọchi maka ụmụ akwụkwọ kwagara mba ọzọ na ndị nkuzị ha. Anyi na-atụ anya na nke a ga-enyere ụmụ akwụkwọ kwagara mba ọzọ aka inwe mmetụta nke obodo ụlọ akwụkwọ ha, ọ bụghị naanị ụgbụ a, kama kwa maka ụmụ akwụkwọ ndị ọzọ kwagara mba ọzọ di iche iche, n'ọdịnihu. Ọrụ a nwere nkwadọ zụrụ oke nke kansụl obodo Edinburgh, Mahadum nke Edinburgh, na onye isi nkụzi ụlọ akwụkwọ nwa gị.

N'ime nyọcha ahụ, anyị ga-ahụ maka ahụmịhe ụmụ akwụkwọ kwagara mba ọzọ ịnọ na ụlọ akwụkwọ dị na Scotland. Anyị chọrọ iji ahụmịhe ha tụnyere ahụmịhe nke ụmụ akwụkwọ na-enweghị nzụlite mba ọzọ.

Anyị ga-agwakwa ndị nkuzi, na ndị okenye ndị ọzọ nọ n'ụlọ akwụkwọ nwa gị, ịnụ maka ahụmịhe ha nke ịkwado ụmụ akwụkwọ si mba ọzọ ma ọ bụ nzụlite ndị ọzọ.

## Olee otu ọ ga-esi arụ ọrụ?

Ndị otu nyocha ahụ ga-eso ụmụ akwụkwọ mba ọzọ na ndị nkuzi ha rụọ ọrụ na ụlọ akwụkwọ sekọndrị ole na ole na Scotland. Ndị nyocha nọ na Finland na Sweden ga-arụ ọrụ n'ụlọ akwụkwọ n'otu ụzọ ahụ anyị si eme ebe a.

Ọrụ a ga-aga n'ihu ruo na Febụwarị 2023, mana anyị ga-anọ naanị n'ụlọ akwụkwọ nwa gị ụfọdụ n'oge, ụbọchị ole na ole n'otu oge, n'oge atọ nke ihe dị ka ọnwa atọ, ihe karịrị obere, karịa otu afọ.

Omume niile ga-eme n'ụlọ akwụkwọ, yana ụbọchị ụlọ akwụkwọ. Ndị nkuzi, na/ma ọ bụ ndị nkwado ọrụ ndị ọzọ nwa gị maara, ga-anọ n'oge mmemme ahụ, yana nkwado ọzọ ga-adị, dị ka asụsụ, iji hụ na nwa gị sonyeere. Nwa gị agaghị echefu ọrụ ụlọ akwụkwọ ọ bụla di mkpa ma ọ bụ nkwa ọ bụla n'ihi nchọpụta ahụ.

## Kedu ihe ọrụ nyocha ahụ ga-abụ?

Anyị ga-ejide ụfọdụ nzukọ ọmụmụ ihe uche na otu ụmụ akwụkwọ, ebe ha ga-enwe ike ịme ma mee ihe, ịkọ akụkọ nke ha, ma ọ bụ gosipụta akụkụ ọ bụla nke ahụmịhe ha họọrọ. Ụmụ akwụkwọ ahụ ga-enwe ike iso onye ọkachamara n'eji ihe onyonyo rụọ ọrụ, ime obere ihe nkiri banyere ahụmịhe ha. Ụmụ akwụkwọ ahụ ga-enwe ọrụ dị mkpa n'otu esi eme nke a. Ka oge na-aga, anyị ga-enwe ihe ngosi iji gosi ọrụ nke ụmụ akwụkwọ niile nọ na otu ahụ nye ndị ọzọ nọ n'ụlọ akwụkwọ nwa gị, yana ndị ezinụlọ na ndị enyi. Anyị nwere weebụsaịtị ọrụ na ọrụ nwa gị site na ọrụ ahụ nwekwara ike ịnọ ebe ahụ, ma ọ bụrụ na gị na nwa gị kwenyere.

**Akwụkwọ ozi TEAMS maka Nne na Nna na Ndị Nlekọta (Mbipute v2)**

Anyị ga-abanyekwa na klaasị ụfọdụ na ụlọ akwụkwọ ahụ, iji hụ ka ndị nkuzi si arụ ọrụ na ụmụ akwụkwọ, anyị ga-agwa ụmụ akwụkwọ na ndị nkuzi na ndị ọrụ nkwado, gbasara nkuzi na mmụta, na ịbụ akụkụ nke obodo.

Anyị ga-enwe mkparịta ụka toro ogologo na ndị nkuzi, na ụfọdụ ụmụ akwụkwọ, gbasara ahụmịhe ha. Ọ bụrụ na anyị na nwa gị nwere mkparịta ụka, ọ ga-erụ ihe dịka nkeji iri atọ. Ọ bụrụ na gị na nwa gị ekweta, a ga-etinye ya n'olu okwu recordụ.

Anyị ga-ajụkwa ụmụ akwụkwọ niile nọ otu afọ ụfọdụ ole n'ole, gụnyere otu afọ nwa gị, ka ha dejupụta nyocha ịntanetị. Nnyocha ahụ na-ewe ihe dị ka nkeji iri abụọ, ọ ga-enyere anyị aka ịghọta otu ụmụ akwụkwọ si ele ịbụ akụkụ nke obodo ụlọ akwụkwọ. Nyocha a nwere ajụjụ gbasara mmekọrịta ụmụ akwụkwọ na ndị okenye na ụmụ akwụkwọ ndị ọzọ nọ n'ụlọ akwụkwọ ahụ, gbasara omume ụmụ akwụkwọ gbasara ụlọ akwụkwọ, yana gbasara ezinụlọ nwa akwụkwọ na nzụlite. Ndị ọrụ na ụlọ akwụkwọ nwa gị ga-ede na nyocha ọzọ, dị iche.

Kedu maka Covid-19?

Ebe amabeghị mgbe ụlọ akwụkwọ ga-emepe ọzọ, anyị na-akwado ibido ụfọdụ ihe omume n'ịntanetị, site na ụlọ akwụkwọ ahụ. Nke a ga-apụtara na onweghị onye na-eto eto ewepụrụ na ihe omume ahụ maka na ha anaghị agụ akwụkwọ.

Nwa m ọ kwesiri ime nke a?

Mba, maa bụghị. Ọ bụ ezie na anyị nwere olileanya na ị ga-agba nwa gị ume isonye na ọrụ ahụ, ị nwere ike igosi na ị chọghị ka nke a mee. Ọ bụrụ na ị kwenyere na nwa gị ga-ekere eso na ọrụ ahụ, nwa gị nwere onwe ya ịhọrọ ma ọ ga-esonye ma ọ bụ na ọ gaghị. A gaghị enwe nsogbu maka gị na ezinụlọ gị, ihe ọbụla ị kpebiri.

Ma gi na nwa gi nwere ike onwe iwepu nkwekorita gi na isonye na oru ahu n'oge obula. Ọ bụrụ n'ịchọrọ ime nke a n'oge ọ bụla, yana/ma ọ bụ ọ bụrụ na ị ga-achọ ka anyị hichapụ ozi ọ bụla anyị nwere banyere nwa gị ma ọ bụ welite nsogbu na nchegbu gbasara ọmụmụ ihe ahụ, biko jiri ozi kọntaktị dị n'okpuru.

Kedu ihe na-eme na ozi ahụ?

Mgbe emechara nyọcha, enwere iwu siri ike banyere ịchekwa onye ọ bụla ma hụ na ọ nweghị ọzi nkeonwe aga eme ka ọhaneze mara. Nke a dị anyị niile n'otu ezigbo mkpa, ma anyị na-agbaso iwu nke Mahadum Edinburgh gbasara nke a. Dika otu, enyere anyi ikike ime oru a, site na Mahadum, site na obodo kansụl Edinburgh yana Onye Isi Nkuzi ụlọ akwụkwọ gị.

Ozi niile enyere dị ka akụkụ nke nyocha a ga-edebe ya na nzuzo, n'enweghị nsogbu na nchekwa. Agaghị ekekọrịta ozi nchọta nye ọ bụla na-abụghị ndị otu nyocha ahụ, a ga-echekwa ya iche iche na data nke aha ya zọrọ ezo, iji jide n'aka na agaghị iji data ahụ achọta nwa gị ma ọ bụ ezinụlọ gị.

N'oge oru a na mgbe oru a gwuchara, anyi nwere olile anya ibiputa ufodu akuko ma nye ndi mmadu ihe omume na nzuko. Mgbe anyị mere nke a, a ga-ezọ aha niile ma ọ bụ nkọwa ndị ọzọ gbasara onye ọ bụla sọ n'ọrụ ahụ. A ga-edebe data ezọrọ aha na mahadum na mba ndị na-edebe data mgbe ọrụ ahụ gwụsịrị.

Anyị nwere weebụsaịtị ọrụ, ebe ị ga-enwe ike ịmatakwu gbasara mbipụta anyị: https://migrant-education.net/outputs. Site na nkwekọrịta gị, foto nke nwa gị, ma ọ bụ nke ọrụ nwa gị ma ọ bụ ọrụ okike ya, enwekwara ike ịtinye ya na peeji weebụsaịtị ahụ.

Gịnị ọzọ ga-eme?

Anyị ga-enye nwa gị ozi edere ede gbasara ọrụ ahụ, na ị ga-enwe ohere ịjụ ajụjụ.

A ga-ajụ gị ma ị kwenyere ka nwa gị sonye na nyocha ahụ. A ga-ede nke a n'akwụkwọ nkwenye, ka ịbanye aka. Nwa gị ga-enwe akwụkwọ nkwenye iji bịanye aka. Agbanyeghị, a gaghị etinye nwa gị na nyocha a, ma ọ bụrụ na ịchọghị ya. Ị

nwere ike ịdọrọ nkwenye gị na ọrụ ahụ, ozugbo ọ malitere, ma ọ bụ nwa gị nwere ike ịme ya, n'oge ọ bụla. A gaghị enwe nsogbu ọ bụla ma ọ bụrụ na gị ma ọ bụ nwa gị pụọ.

Maka ozi ndị ọzọ: Biko gwa onye nkuzi njikọ nwa gị na ọ ga-enwe ike inye gị ozi ndị ọzọ ma ọ bụ kpọtụrụ ndị otu, na nnọchite gị, ọ bụrụ na ị nwere ajụjụ ọ bụla ha enweghị ike ịza.

**Ana m ekele gị nke ukwuu maka ịgụ akwụkwọ ozi a.**

Njikọ Onye Nkuzi (maka ozi ndị ọzọ na ịkpọtụrụ ndị otu nyocha): David Dalgleish

Mkpọtụrụ maka ịrịọ ka ehichapụ data gị: marc.sarazin@ed.ac.uk

Onye Isi Nyọcha TEAMS: natasa.pantic@ed.ac.uk Onye nhazi mgbasa ọzi: elaine.gray@ed.ac.uk

Kpọtụrụ onye na-abụghị otu (maka nsogbu, nchegbu, na mkpesa):Dr. Fiona O'Hanlon fiona.ohanlon@ed.ac.uk